# REBEKA OTÙ ỤDỊ NWUNYE ỌHỤỤ NKE KRAIST

**Jenesis 24:34-67**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 13 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu abiawo, nwunye-Ya edoziwo kwa onwe-ya" (Nkpughe 19:7).**

**N'Ụlọ Rebeka**

N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga, anyị mụrụ na orù Abraham, Elieza, agaworị n'obodo nke Mesọpọtemia ka o wee weghachi otù nwaagbọghọ nke gaabụrụ Aisak, ọkpara Abraham, nwunye. Mgbe o ruru ebe ọ naeje, náánị n'azụ obodo n'akụkụ olulummiri ahụ, orù ahụ ezuteworị Rebeka. Na mgbe náadịghịanya nwanne ya nwoke bịarutekwara n'olùùmmiri ahụ wee kpọrọ ndị ijè a rue ụlọ ha.

Ọ dịghị ihe ọ bụla arapụrụ ime bụ nke kwesịrị iji mee ka ọ dịrị ndịọbịa ndịa si ebe dị anya mma. Asara ụkwụ ha, ma bute kwara ha ihe oriri. Rue ugbu a Elieza ekwubeghị ihe bụ ijè ya, bụ́ ihe dị ya mkpà karịa nri. "M'gāgh eri, rue mgbe m'gēkwuwori okwum nile," ka o kwuru. O wee kọwa ihe banyere onyenwe ya, Abraham, na ịbaụba nke akụ ya; ọzọ banyere Aisak, onye bụ onye nketa nke ihe ndịa niile.

**Mkwekọrị ta**

Mgbe ahụ o wee kwue ihe bụ isi ijè ya, ekpere o kpere n'akụkụ olùlùmmiri ahụ, na ọ̀zịzá nke azara ekpere ya. Ma ọ bụ ihe kwesịrị ime bụ ịnụta ihe gaesi n'ọnụ èzínaụlọ Rebeka pụta. Otù ugbò ahụ, ha wee mata na ozi a sitere n'ebe Chineke nọ, wee sị Elieza, "Kuru ya, la, ka ọ ghọrọ nwa onye-nwe-gị nwunye, dika JEHOVA kwuworo." N'ókéọñụ orù ahụ kpọrọ isi n'ala wee kpeere Jehova. Ugbu a ọ mawo, n'ezie, na Jehova agọziwo ijè ya. O wee chịpụta ihe ọlaọcha na ọlaedo, na uwe nye Rebeka, o nyekwara nwanne ya nwoke na nne ya onyinye dị icheiche.

**Nrọọrọ Nke Rebeka**

N'echi ya Elieza wee chọ ka o kuru Rebeka laghachi, ma nne ya na nwanne ya nwoke rịọrọ ka nwaagbọghọ ahụ nọnyeere ha "ubọchi asaa ma-ọbu iri, emesia ọ gēje." Ma orù ahụ matara na otù mgbochi pụrụ ime ka nkewapụ ahụ ghara ịdị mfé (maọbụ sie ike), o wee zaghachi ha sị, "Unu egbochilam, ebe JEHOVA meworo ka uzọm ga nke-ọma; zilagam ka m'lakuru onye-nwem." Nne Rebeka wee kpọ Rebeka, sị ya "Ì gēso nwoke a je?: Ọ ghaghị ịrọrọ ihe dị ya mma; náetufughị oge ọ sị, "M'gēje."

Náekweghị ka oge gabiga karịa, èzínaụlọ Rebeka wee gọzie ya wee zilaga ya na Elieza na ụmụokorọbịa ya ijé n'ala Kenean ka o wee ghọọrọ Aisak, nwa mkwà nke Abraham, nwunye.

**Ịchọ Nwanyị Ahụ Anaalụ Ọhụụ Mma**

Ihe ịgbanántị, ọlaedo ahụ, ọla ahụ niile arịaọla niile, uwe mara mma nke enyere Rebeka tupu ya ezute Aisak bụ ihe yiri amara niile nke Mmụọ Nsọ nke anaenye mkpụrụobi ahụ nke náagbalịsiike ịbàmị nime Chineke (maọbụ ịmara Chineke karịa). Otite mmanụ niile nke Mmụọ Nsọ nke náadakwasị mkpụrụobi ahụ dịka igirigi nke Eluigwe, bụ kwa ịchọ mma niile nke Nwunye ọhụụ nke Kraist. Ha bụ ihe ahụ niile gafere ọnụahịa nke Chineke naenye, ọ dịghị kwa ihe ọzọ pụrụ ịchọkarị mkpụrụobi mma dịka Mmụọ nke Chineke. Ọbụná igbu maramara nke egedege iru ahụ naegosi ebube nke náabata nime mkpụrụobi ahụ nke azọpụtaworo ma do kwa ya nsọ nke gawokwara n'iru ewee wụkwasị ya ike ukwuu nke ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ.

**Òkù Anaakpọ Taa**

Ònye nwere ike ikwu, ná mkpebi, obiike, na okwukwe, dịka Rebeka kwuru, "M'gēje?" Mmụọ Nsọ naasị "Unu egbochilam," nye ndị ahụ náalaghachi azụ, maọbụ ndị ahụ náegbochi ndịọzọ iji obi ha chụọra Ya àjà. Ị̀ gaaba nime ebe nzuzo niile nke Onye kachasị ihe niile elu? Ị̀ gaachọ ka ekpughere gị akụ̀ niile nke Ọkpara Chineke? Ị̀ pụrụ ịsị, "Achọrọm ihe ichọ-mma ahụ niile ndị gaemem ka m'jikere ịbụ Nwunye ọhụụ nke Kraist"?

Ọ̀ gaadị anyị mma ịnọ náenweghị njikere? Ànyị nwere ike ịsị, "Ọ̀ gaanọ ọdụ rue ụbọchị iri?" Maọbụ "Ọ̀ gaanọ ọdụ rue ụbọchị ise," maọbụ, "Ọ̀ gaanọ ọdụ rue otù ụbọchị"? É-è! Anyị aghaghị ịsị otú a, mgbe Mmụọ Nsọ naakpọ òkù. "M'gēje, M'gēje." Onye nọ n'akụkụ gị pụrụ ịsị, "N'echi ya," ma Mmụọ Nsọ na asị "Taa!" Òkù ahụ ejeruwo ebe dị anya. Ụfọdụ ndị azọpụtaworo enwebeghị odudonsọ, àkàejibeghị ike nke si n'Eluigwe mejue ụfọdụ, bụ́ ọwụwụmmiri ukwuu ahụ nke Mmụọ Nsọ. Ị gaachọ kwa ma nweta nnwapụta imemmụọ dị icheiche wee si otú a kwue, "M'gēje"?

**Nwunye Nke Aisak**

Ka anyị wepụ anya anyị site n'ebe ụgbọala nke náebu onye ahụ gajé ịbụ nwunye ọhụụ na ndị náejere ya ozi jéé ala Kenean, ka anyị náaga kwa n'iru. N'ebe ahụ, dịka anyanwụ naadakwasị anyị, anyị wee hụ Aisak ka ọ nọ nime ubi náatụgharị uche, nááṅí ya. O wee welie anya elu ma n'ebe dị anya ọ hụ ịnyịnya ahụ niile ka ha naabịa. Nsonso ka ha naabịaru. Mgbe ahụ o wee hụ Rebeka ka ọ naesi n'elu ịnyịnya rịdata. Ekwuru ya n'oge a n'obodo ụfọdụ ọ bụrụ na nwaagbọghọ ntà nọ n'elu ịnyịnyaibu wee zute nwoke, ọ bụ igosi mkwanye ùgwù, bụ isi n'elu ịnyịnya rịdata. Rebeka ajụworị onye nwoke nke náejégharị nime ubi bụ́; mgbe agwara ya na ọ bụ Aisak, site na nweda n'ala na nsọpụrụ, o were akwa mgbokwasị kpuchie onweya – nke a bụ ejiji dị óké mkpà nke ndịnyom n'ụbọchị niile ahụ garaaga. Nááṅí anya ya ka agana ahụ́.

Elieza wee kọọrọ Aisak n'otù oge ahụ otú o si mezue ihe niile nke o mere. Òlee ụdị ọn̄ụ Aisak gaenweworị ịmata na Chineke emewo ka ijè orù ahụ gaa nkeọma! Nime mkwanye ùgwù o wee duru Rebeka ba nime ụlọntú nke Sera nne ya biworo nime ya. Rebeka wee ghọọ nwunye Aisak, o wee hụ ya n'anya. Ọ pụrụ ikwu banyere ya sị "I mazuru nma, eyim; Ọ digh kwa ntupọ di n'aru-gi" (Abù nke Abù 4:7)

**Ntozuòkè Niile Nke Nwunye Ọhụụ Ahụ**

Rebeka nwezuru ihe niile achọrọ n'ụzọ niile: o kwenyere, náatụghị egwù, n'ịkpachapụanya, n'ịgbasiike, n'iruọchị, náagụghị nke onweya, o "letara ndi-ọbia nke ọma … nātamughi ntamu" (I Pita 4:9). Ọ rapụrụ ụlọ ya wee jee izute onye náalụ ya ọhụụ n'obodo dị anya. Aisak wee pụta ịnata ya. Otù ụbọchị Jisọs gaarapụ ocheeze Ya n'Eluigwe wee rịdata ịnara Nwunye nsọ Ya nke náechere. Ì jikerewo?

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere o ji dị orù ahụ ọkụ n'obi ịkpọrọ Rebeka lata n'otù mgbe ahụ?
2. Òlee ihe gosịrị ya na Chineke azawo ekpere ya?
3. Gịnị ka ajụrụ Rebeka? Gịnị bụ kwa ọ̀zị́zá ya?
4. Òlee otú Rebeka ji yie Nwunye ọhụụ nke Kraist?
5. Ndị òle ka agaakpọ Nwunye nsọ nke Kraist?
6. Ònye bụ onye bu ụzọ hụ kamel ahụ niile nke náabịa?
7. Kwue ihe banyere nzute nke Aisak na Rebeka?
8. Kpọọ aha ihe ịrịbaàmà ụfọdụ nke náatụ aka na ọbịbịa nke Onyenweanyị eruwo nso?